NATIONAL LIBRARY OF NIGERIA
RECEIVED
23 JUL 1980
LEGAL DEPOSIT
LD No. 80-370



NIGERIA
AHAGH INWE
ÀGBÀ

OD
DT
515
AZ1
.03
S525
C.2


OD
DT
515
A21
.03
S525
C.2

NIGERIA
AHAGH ỊNWE
ÀGBÀ

OD
DT
515
A21
.03
S525
c.2

Ọbụ ngalaba ụlọ ọrụ goment ala anyi di na Lagos
okwu igbasa akụkọ di naka bụ ndi n'agbasa akụkọ dere akwukwọa

Printed by Ribway Printers Ltd.



Ebea ka President Shagari na agwa ọha-na-eze Nigeria okwn nke isi mbụ ya

PREFACE

Na ụtụtụ ụbọchi mbụ nke ọnwa iri, n'ime afọ 1979, ka anọrọ na mbara ama anakpọ Tafawa Balewa Square dị na Lagos chiéé Alhaji Shehu Aliyu Shagari ẹchichi ibụ onye isi–ọchịchị mbụ nke obodo Nigeria enyere ikike mkpebi na itu-ụkà n'okwu gbasara ọchichi obodo.

Obù n'ebe ahù ka ọnọọrọ kpọkue ụmù ama–ala Nigeria n'ile ka ha soro ya na ibú ibú arọ nke di n'ọrụ iwulite obodo.

Ọbùzi na oge anyasi ya, ka ọgwara ọha–na–eze okwu site n'ulọ-ọrụ radio na television na akọwagasị ihe ndi kachasị mkpa bụ nke ndi otu ọchịchị ya kwadoro ime.

Okwuru hóó–hàà sị, na etu ọbù si na Nigeria pùrù-ịbú mba nwere àgbà site niwulite ya na úzọ ọhúrú di ugbua, na ọhagh inwe agba.

N'ebea ka edepùtaziri okwu mbụ nke ya bụ President gwara ọha–na–eze Nigeria.

OKWU MBỤ́ NKE ONYE ISI–ỌCHỊCHỊ ALHAJI SHEHU SHAGARI BỤ́ PRESIDENT NKE OBODO NIGERIA KWURU N'AMA EGWUREGWU ANAKPỌ TAFAWA BALEWA SQUARE N'ỤBỌCHỊ MONDAY, NKE BỤ ỤBỌCHỊ MBỤ́ NKE ỌNWA IRI NKE AFỌ 1979

Onye nwem, bụ́ eze ọka-ikpe nke obodo Nigeria
Ndi–isi ọchịchị n'ile
Nd ámàárà aha ha. na ndikom na ndinyom no n'ebea.

Odibegh ányà ka anyi n'ile soro na mmè–mmé nke anyi mere n'egosi na ala anyi n'aga n'ihu. Anọrọm n'ìru Chineke na n'ìru unu n'ile ñúaa iyi, ife ala anyi ofufe, ihú na edebezurum ukpuru iwu ya n'ile, na nke ikpe ziri–ezi, n'atụgh egwu, ma ọbù imanyere onye obúla. Agam agbali ikem, imezu dika ukpuru ọchịchọ nke ọkwa enyerem siri di site na ikwesị utúkwasi–obi.

Anam achọ ka odoo ndi Nigeria n'ile na kwa ndi mba n'ile nke ọwa anya, na amataram ma n'abata kwa ihe isi–ike, na ọrụ n'ile kwesiri onye ji ọkwa President. Nke a kpatara mjiri n'achọ–kwa ka mmee ka unu mata amata, na agam anwa ikem irụ ọrụm n'ile etu okwesiri nye alam. Na ọnọdụ ọchịchị dika President, agam enye ndi ala anyi n'ile ofufe ruwere ha, n'agụgh otù ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo ha so n'ime ya, ma–ọbụ asùsụ́ ha, ma – ọbụkwa ofufe úkà ha n'efe. Otu aka ahù kwa, ka anyị n'ile were mme–mme nke ụbọchị taa dika ihe metụ̀tara ala–anyi.

Anam arịọsi ndi Nigeria n'ile ike ka anyị gbakọta aka n'ibu ibu aro nke iwulite obodo. Ihe anyị n'ile chọsiri ike ngwa–ngwa ugbua bù iwepụtasị àkù anyi n'ile na ume anyị n'ile, na iji ha wulite ala anyi. Chukwu dị mbụ́ gọzie anyị site n'inye anyi umu ihe ndia esi na ha enweta akù–na–ùbà, ma nyekwa anyi ume, nke fọdúziri bù ka anyị were ha rúọ ọrụ́ maka iwulite ala–anyi. Otu aka ahù kwa, ka anyi gbaa mbọ ihụ na anyị n'enyere mmadù ibe anyị aka, bụ́ ndi n'ejijugh aka d'ika anvi onwe anvi.

Okwesịrị ekwesị ugbua na agam atụ́rụ́ ndi ahù n'ile mma–mma, bú ndi gbalịrị–mgbalị n'ime afọ iri–na–atọ gara–aga ịhụ́ na ejikọtara ala–anyị n'otu; na ikwasi ntọ–ala nke idi n'otu ike

udo na ọga–n'iru. Ndi agha ala anyị bụ́ ndi chịrị anyi ke mgbe afo 1966, bụ́ ndi nọọrọ n'isi ihe n'ile emere na ala–anyị emeela ike ha ka ha pụ̀rụ̀ ime nye ala anyi. Ha gbalịkwara ijikọta anyị n'otu, na ime ka anyị n'ile n'eche echiche dịka ndi Nigeria. Ejim aha unu n'ile na atụ́rụ́ ha mma–mma, ma nyekwa ha ekele nsopụ́rụ́.

Anyị ahagh ikele na ịsọpụrụ onye–isi ọchịchị gọment ala anyị dịbuuru n'aka ndi agha bụ́ General Olusegun Obasanjo bụ́ onye nke hapụ́rụ́ ọkwa ahụ̀ ugbua, na ndi otu ọchịchị ya, na ndi n'ile nahú maka ọga–nìru nke ọrụ n'ile, na ndi agha n'ile na kwa ndi uwe–ojii, na ndi oru gọment n'ile bụ ndi nyere aka imẹ ka mgbụ́gbà ịbụ́ otu nke ndi Nigeria siéé ike.

Taa, anyi n'akpọku ha n'ile ka ha soro anyị n'ịrụ́ ọrụ dịrị anyị, ime ka otuto nke ala anyị bawanye ụba. Na akụ̀kụ̀ nkem n'onwem, ike agagh agwụ́m ịhụ́ na udo, ịdị–n'otu na ọga n'iru dịgịdere na ala anyịaa.

Ọbụ́gh ugbua, ma ọbụ̀kwànù n'ẹbea ka aga anọọ kọwaa usoro gọment kwadoro isi rụọọ ọrụ ya Ma na etu ọbụ́la osiri dị, echerem na okwesịrị ka arụ̀tụ́kwa–aka n'ọrụ n'ile n'echere anyi. Nke mbụ́ kachasi mkpà bụ̀ igbo mkpa dịrị Nigeria n'ọha, nke bụ́ iriju–afọ, iwuru onwe anyi nlọ-obibi, inye ụmụ anyị ọzụzụ kwesịrị nke g'enye ha ohere ọma ịtụnye ụtụ nke ha maka mwulite obodo n'ụzọ ọhụrụ anatụ anya ya.

Ihe ọzọ dị, nke ahụ̀ bụ̀ na anyị nwere ọrụ́ anyị gàrụ́rụ́ ala Afrịka, na onye Afrịka obula.

Nke ahụ̀ bụ̀ otu ihe dị mkpa nke ndi gọment anyịaa g'eme, ịhụ́ na ndi mba n'ile nke Afrịka bụ́ ndi nọ na mmegbu nke ọchịchị aka–ike n'ebe ọbụla, g'enwere onwe ha, ma mụee kwa ugwu nke inwe–ọnwe.

Anyị g'enyere mba n'ile, na ọgbakọ n'ile nke mba ala Afrịka aka site n'ímé ala–afọ nke obi anyị, ime ka ịdị n'otu dịgịle n'ala Afrịka, na kwa ime ka ndi n'ile nọ n'agbụ́ nke ohu si n'ime ya pụọọ ọsọsọ, ma wulitekwa mba n'ile nke ala Afrịka ọsọsọ.

Ọ n'agụ́ anyị nnọọ n'agụ́si anyị ike ịnụ́ na ọdị etu anyị g'esi tụ́nye ụ́tụ́ ruwere anyị, maka ịdị n'otu, udo, ọga-n'iru, na inyekọrịta aka n'etiti mba n'ile nke uwa. Nihi nkea, anyị n'agbatị aka anyị ịnabata ndi mba n'ile nke uwa.

Ugbua, anam atụrụ unu n'ile mma–mma, bụ́ ndị sonyere na mme–mme a dị origiri. Anam enye ụmụ–akwụkwọ ekele pụrụ iche, n'etu ha siri nwee ndidi ịkwado maka mme–mme nke ụbọchị taa.

Ka m'were kwa ohere omaa kele ndi n'ile ahọpụ̀tara isonye na ọchịchị ala' anyi, na kwa ime ka ha mata, na ọgagh adị anya mgbe mgenye ndụ́m–ọdụ́ gbasara mmalite nke nzukọ mbụ́ nke ndi n'anọchita anya ndi ala anyị n'ile n'ọchịchị obodo, dịka iwu na ukpuru nke ọchịchị ala–anyị siri kọwaa na okwesịrịm ime.

Ndi ala anyị, na mmechi okwum, agam asị, ka anyị g'èsi na ama ebea lásàà n'ụlọ anyị, ka anyị kpebiee n'ime onwe anyị, ịji udo na ịdị n'otu wee merié ọrụ́–ike n'ile di n'iru n'echere anyị.

Anam ekele unu n'ile, Ndewonù.



Mgbe ana-edu ndi ochichị, n'iyi, President Shagari guzo netiti ọkọlọtọ abua n'aṅụ iyi maka okwa ọhụrụ ya. Ọbụ Eze ọka–ikpe ala anyi bụ Justice Fatayi Williams duru ha n'iyi. Osoje onye isi ochichi bụ Dr. Alex Ekwueme (onye a kpu nchu di gburu–gburu yiri uwe anakpọ pull–over) guzo n'aka–ekpe. Ma na General Obasanjọ guzọ n'etiti eze ọka–ikpe na President

OKWU MBỤ́ NKE PRESIDENT BỤ ALHAJI SHEHU SḤAGARI GWARA ỌHA–NA–EZE SITE NA RADIO NA TELEVISION. NA UBOCHI MBÚ NKE ỌNWA IRI NA AFỌ 1979

Ibem ndi Nigeria,

Anyị n'ile ejiwo anya anyị lụ taa, mgbanwe ọchịchị nke ugboro abụ́a na ala anyị bụ́ Nigeria. Site na idu anyị n'iyi ịbanye n'ọkwa ọchịchị, ugbna anọnyewom n'ọkwa ọchịchị nke ịbụ onye isi ọchịchị mbụ́ nke Nigeria onye ikike nke mkpebi na nduzi ọchịchị gbasara ala anyị dị naka. Anam atụ́rụ́ unu n'ile mma–mma n'ịlị ntachi–obi na enyem aka unu n'oge anetifeghari ọchịchị site n'aka ndi agha bịa n'aka ụmụ ama–ala ala anyị.

Afọ iri–na–anọ agasịala ka ndi agha bidoro chịwa ọchịchị, ọbụkwu n'ime ọchịchị ahụ ka alụrụ ọgụ n'ala anyị, ma na ughua, ọchịchị ọhụrụ ake ugboro abụa abịala. Ọbụkwa n'ụbọchị taa ka iwu ọhụrụ ala anyị malitere ịdị–ire, ọbụkwa iwu na ukpuru ọchịchị nke anyị tụ̀rụ̀ nye onwe anyị. Anyị na abanye n'ọkwa ọchịchị anyị maka na anyị n'ile bụ ndi ọha–na–eze ala–anyi kpachapụ̀rụ̀ anya họpụ̀ta site n'otu ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo dị iche–iche, nènmegh esem–okwu ma–ọbụ mkpotu ọbụ́la. Nke a bụ ihe kwesiri iji nyaa–isi, ọbụ̀kwa ihe kwe–sịrị Iturụ́ Chineke mma–mma, ma kwa ndi n'ile gbakọtara aka ime ka ja bụ́ nhọpụ̀ta ndi ọchịchị, na mgbanwe ọchịchị aa gaa nke ọma.

Nke a bụ ihe kwesịrị anyị n'ile iji anya udo tu'haria–uche, chopụta ihe n'ile kwaturu Ọchịchị ndi nke mbụ́ tupu ọbụ́rụ́ na ndi agha achịwa ala anyị, etua ka anyị gesi maka ịdị ukwuu nke ọrụ́ dirị anyị n'ọdị n'ihu.

Ndi nke mbụ́ chiri ala anyị nwere ihe mghaguju anya dị iche–iche: otu bụ́ etu agaesi wuẹ obodo nke ezùrù ọha nwere; nke ọzọ buru etu agesi mee ka ọnọdụ̀ akụ̀ na ụ́ba anyị kwụ́rụ́ nke ọma, na kwa etu agesi mee ka ndi Nigeria n'ile n'enwe mmekọnita ka nwa–nne na nwa–nne n'enwegh okwu mkpasu iwe onye ọbula megide ibe ja. Otu ihe ahụ̀ ka dikwara anyi agbua. Nihi nke a, ihe anyi n'achosi ike bu uzo anyi gesi mee ka oharakwa ịdị n'etiti anyị, maka ndi ọchichi ughua

Ọchịchị nkw ugbua bụ̀ ihe itụ̀ ule, bụ́rụ́kwa ọhere ọma dinụ́ nye onye ọbụ́la n'etiti anyị.

Ugbua, ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo agafeela, ka anyị n'ile jikọta onwe anyị dịku egi ndi n'asọ–mpi egwuregwu dị iche–iche, chefusịaa ịkpa oke n'ile na mpako na nleli n'ile gara–aga ka anyị wepụtu ike anyị n'ile na ume anyị nile rụọ ọrụ nke iwulite obodo bụ ihe chere anyị ihu ugbua. Achọrọm ka ndi–isi n'achị state n'ile bụ ndi Governor chefue na ọdị otu ndọrọ ndọrọ ọchịchị obodo ha kwenyere, ma were ihe gbasara ọdi–mma nke ala – anyi dịka mkpa dịrị ha. Ha ahagh ịmata na State ọbụla ha na achị, bụ nani otu ọkara nke ala Nigeria, n'ihi na ọdịgh mgbe ọkàrà ga akarị otu. Anam atụrụ ha mma–mma n'ekele kwa ọha–na–eze ala anyị, onye ọbụla na ọnọdù nke ga, ka anyị nile jikọta aka n'otu ịrụ ọrụ nke iwulite ala ukwu anyi a bụ Nigeria. Anam eme ka odoo unu anya na n'akụkụ nkem n'onuem, gọment ala anyị ahagh inye State ọbụla oke nke ruwere ya nham–nha, n'agụgh otu ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo ọbụla nọ nisi ọchịchị.

Ndi ala anyị ọtụtụ ihe ịmà aka na ohere ọma dị iche–iche dịrị anyị. Ọtụmasịgh na arụọọla ọtụtụ ọrụ ọma dị iche–iche, ihe gbasara akụ–na–nba nke ala anyị ekwebegh idozi anya. Na ala Nigeria, ọtụtụ ngwa ahia adịla oke ọnụ ahịa ugbua dika ọdikwa na mba ọzọ n'ile nke ụwa. Etu ọbụla osiri dị, anyị na–achọ iwulite akú–na–úba ala–anyi site n'ime ka onye ọbụla tinye aka N'oru Imepụtasi ngwa – ahịa, na ijizu ihe eji emepụtasi, ngwa ọrụ na ngwa ahịa dị n'ala anyị rụọ Ezi ọrụ. Ọbụ site n'uzọ dị etua ka anyị g'esi mee ka akụ–na–úba n'apụta n'ala anyị Bụrụ nke anyị.

Isi ọrụ anyị chọrọ irụrụ onwe anyị n'ime obodo anyị bụ ihe gbasara ọrụ–ubi, ụlọ–obibi, mmụta dị–iche–iche, ọrụ ahụ–ike, úlọ–ọnụ ebe ana emepụtasị ngwa ahịa dị iche–iche, na kwa ihe gbasara mwugaje nke isi obodo ọhụrụ ala anyi.

ỌRỤ–UBI

Ọrụ nke mbụ dị anyi n'ihu bụ ọrụ–ubi. N'oge anyị n'agbakiri ala ime nkwado nke ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo, ndi otu anyị nke anakpọ National Party of Nigeria kwere ndi ala anyị nkwa na ha ga eme ka ihe gbasara ọrụ ubi gbasakwuo ma di kwa nfe, ọsọsọ. Ọtụtụ nnụ afọ gara–aga, ndi ala anyị bụ ndi ọrụ–ubi agbaala mbọ iji ngwá ọrụ ubi nke ndi mgbe ochie kpụrụ n'onwe ha igbuze ala kpọrọ nkụ ihe n'adịgh nime ja wee jiri ya n'ebi ndụ ike ọgwụgwụ. Ọtụtụ oge ka mkwụtúrúla ihe gbasara iweta mgbanwe n'okwu ọrụ nbi anyị.

Mkpa dịrị anyị bụ ịjisi ike Rụpụtanri maka ezi–na–ụlọ n'ile. Anyị g'akwụsịtụ ịdị n'eburu ego anyị ebulara ndi mba ọzọ site n'ịtụ ahịa ngwa nri na ala ha. Anyị na achọ imehari ọrụ ubi ndi ala anyị etu ha ga n'enwebiga nri oke, ka anyị wee si etua, were ego anyị mere ihe ọzọ dị anyị mkpa. Anyị geji ndi anyị n'ile bụ ndi mụtara ọrụ – ubi nke ọma, na ngwa n'ilẹ eji arụ ọrụ–ubi n'oge Ugbua mee ka ọrụ–ubi anyị digakwue mma ma méé kwa ka ụlọ–ọrụ ebe ana–emepụta ngwa nri sitere na akụkụ ala–ubi na aga n'ihu.

Otu aka ahụ kwa, anyị ga achọpụtasị Ụzọ dị mma anyị gesi kwasice ọtụtụ ụmụ ama–ala Nigeria obi ike ịdị n'arugasị ọrụ mbi n'ụzọ pụtara ihè,. Ewezuga nke a n'ụsọ, anyị ga akwasi ndi n'ile obi ike bụ ndi n'achọ ka ha na ndi mba ala ọzọ gbakọta aka n'okwu gbasara ọrụ ubi, na kwa irigiri ngwa ọrụ–ubi eji emepụtasị ngwa ahịa dị iche iche n'ụzọ ogapụtara anyị ego. Ọzọ, agachọpụta ụzọ ichekpọ nri dị–iche–iche site n'ụzọ ọhụrụ dị ugbua, etu esi ekesasị ha, na etu agesiSite–n'otungwa nri mepụtasịa nri ọzọ dị iche–iche.

ỤLỌ–OBIBI

Ndi gọment anyị màtàrà nke ọma, na ebe obibi dị mma baara onye Nigẹria ọbụla uru, n'ihi nke ahụ, anyị ga akwado otu ụlọ–ọrụ gọment bụ nke ga n'elekọta ihe gbasara ụlọ–obibi, na ọdị mma nkẹ mbara ama anyị n'ile. Ọbụgh ihe ịgbaguju anya ịsị na anyị chọkwuru ọtụtụ ụlọ maka ndi–ọrụ na madụ n'ile ma n'obodo ndi mepere–emepe ma kwa n'ime obodo chà.

N'etu ọdị ugbua, ihe anyị nwere, na ihe ana emepụtasị nụlọ ọrụ anyị agagh enye anyị ihe anyị goji wuẓue ụlọ nke gerute onye Ọbụla dika anyị na–akwado maka obodo ndi mepere–emepe ma na ime obodo. Etu ọbụla osiri dị, anyị gagbasi mbọ nke ihụ na anyị rùrù ọrụ gbasara ụlọ–obibi. Abịaa na obodo ndi mepere–emepe, anyị gewunyegasị "Obi–ọhụrụ" bụ ebe agakpachapụrụ anya wáá ọchá–mmiri, ebe ma icheyi mmiri, ma mmiri ndi n'adọrọ n'ụzọ g'esi na asọpụ; aga egbuwa kwa ezi ụzọ n'obi–ọhụrụ ndi ahụ aga–ewu, ma tinyegasịn ha ihe n'ile kwesiri ekwesi ịji·mee ka ọbụrụ ebe ga adi mma obibi.

Aga chọpụtakwa ụzọ etu aga esi n'enye ndi nke bi n'obodo ndi mepere–emepe ego–nzi ha nwere ike ịji wuoo ụlọ nke aka ha.

Abịaa n'obodo ndi nke mmemepebegh nke ọma, na n'ime–in obodo, aga–agba mbọ mee ka ndi ọmasịrị jikọta onwe ha n'ot nke otu iwu–ụlọ obibi. Aga eme Ka ndi nlọ–akụ̀ nenyepụ̀sị n mmadụ̀ ego, bụ́ ndi ngwọ ọnwa ha n'erugh ịji mee ezi ihe, ka h ji ya wuoro onwe ha ụlọ obibi, ma–ọbụkwa iwuhachi nke ha bi n ime ha, ka ha di mma ka ụ́lọ nke oge dị ugbua.

Isi ukwu ihe n'ile anyị n'eme banyere ebe obibi bu ka ony dịnụ́ nwee ụlọ nke aka ya, ma mee kwa ya ngwa–ngwa. Any kwere nke ọma na ọbu site na ibi n'ulọ di mma, ka ndi mmadị gèsi n'ebi ndụ̀ ahụ́-ike , site nịdị n'edowe,esi–na– ụlọ ha ọch mgbe n'ile. Etu anyị matara nlee ọma na ihe n'eri ego n'iwu ụl bụ̀ ngwa ọrụ eji ewu ya, gọment anyị genyere ndi mmadụ̀ aka b ndi nagbalị imepụ̀tasị ngwa eji ewu–ụlọ n'ala anyị. Na mgbe n mgbe ka aganenyocha ma chọpụ̀takwa ụsọ afesi n'emepụ̀ta ngwo- ngowo eji ewu ụlọ nke ọnụ ahia ha ga–adị ala



N'ebea ka President na General Obasanjọ no n'ugbọ–ala na aga gburu–gburu n'ebe ndi biara mme–mme nke ubọchi mbụ nke ọnwa iri na afọ

MMUTA

Ihe ọzọ anyị bụ́ n'uche anyị gème bụ ihe gbasara mmụ̀ta. Ndi ala anyị, etu ọdị ugbua, anyị ahụ́wo na ihe gbasara ndọrọ–ndọrọ ọchịchị obodo agwusiala, ụbọchị mbụ́ nke ọnwa iri nke afọ a abiala, nsogbu gbasara mmụta, etua ka oguzoro N.iru anyị ele anyị anya. dịka iwu nke ukpuru ọchịchị ala anyị si dị, gọment aa n'abatara ihe gbasara mmụ̀ta dị iche–iche, site ńulọ–akwụkwọ nta rue na nke ukwu; na agan'agụ́ akwụkwọ n'akwụ́gh ngwọ. Ma na ihe n'enye nsogbu ugbua bụ̀ uzọ esi eme ga eme, site n'etu ego anyi rúkwara, enwezugh ndi ukụzi, na ụmụ ihe ndi di mkpa ejì akụ́zi akwúkwo n'ụlọ akwụkwọ. Anyị chọọrọ ọtụtụ ụ́lọ–akwụkwọ, ama egwnregwu nke ụlọ–akwụkwọ na ihe ọzọ ndi g'enye aka méé ka anabatakwue ọtụtụ ụmụ–akwụkwọ n'ụlọ- akwukwo dị iche–iche. Ihe ndia abụ́gh (asụ́–anwụ̀rụ̀) Ihe enwere ike ime n'otu abalị.

Nkea bụrịị ihe gọment m' kwere nkwa, nke bụ na mmụ̀ta bụ̀ otu n'ime ihe ndi dị mkpa aga eburu ụzọ méé. Anyị garụ́gaje ọrụ gbasara mmụta ka anyị nwee ike mezue ọchịchọ nke mmụta dịka esiri chọọ ga nàla anyị. Otụ aka ahụ̀ kwa, anyị chọrọ ime ka mmụ̀ta zuoo oke ma tinyekwasị ga mmụ̀ta nke nkwanye ugwu nke onwe. N'ihi nke a anyị gazụ̀ ndi nkụ́zi anyị n'ụzo ha nwere ike ime ka mmụ̀ta baa uru, ma mee kwa ka ọnọdụ̀ ọrụ́ ha dịrịha mma, ka ha nwee ike kuziere ụmụ–akwụkwọ n'enwegh ntamu. Anyị ga akwasi ndi mmadụ̀ na ndi otu dị iche–iche obi nke bụ́ ndi chọrọ iwu ụlọ–akwụkwọ nke onwe ha ka ha mee etu ahụ̀, ma ọbụ́rụ́ na ha nwere ike mezue ihe ndi gọment chọrọ.

Site n'etu osiri dị anyị mkpa inwe ndi mụ̀tazıri ọrụ–aka nke ọma, na ime ka umụ̀ta nke ọrụ–aka dị iche–iche na–aga n'ihu, anyị g'eme ka ụlọ–akwụ́kwọ n'ile ebe anakụ́zi mmụ̀ta ọrụ́–aka dị iche–iche n'ala anyị dịrị ka ha kwesịrị, ma wuee kwa ọtụtụ nlọ̀–akwụ́kwọ ndi ọzọ dị kalha. Nihi nkea, anyị gakwado ụlọ–ọrụ gọment bụ́ nke ganelekọta ihe gbasara mmụ̀ta science na nke ọrụ–aka ọzọ dị iche–iche, bụ́ ndi g'enwe ike piapụ̀ta mmụmá nke ageji mee ka mmụ̀ta dịrị n'out ụdị nakukụ n'ile nke ala anyị.

Achọrọm ka mkwuo kwa ga ọzọ, na ukpuru usoro mmụ̀ta n'ala anyị bụ̀ nke g'eme ka ndi n'ile gụsịrị akwụ́kwọ nwee ike iji ihe n'ile ha mụ̀tara, na amam ihe ha, na ike ha tinye aka n'ọrụ iwulite ala anyị.

AKỤ̀–NA–ỤBA NKE OBODO

Ma n'ala anyi, ma na ala mba ọzọ, ihe dị anyị oke mkpa gbasara okụ̀–na–ụ́ba anyị bụ̀ etu anyị gesi mee ka ala anyị buru mba ewulitere n'ụ́zọ dị n'oge nke ugbua, site na ime ka ọbụ́rụ́ mba ebe ana emepụ̀tasị ngwa ahịa dị iche–iche.

Ọbụ́gh ọrụ N'ani otu onye ime nkea, kama ọbụ ọrụ chọrọ ike onye ọbụla. Goment anyị chọrọ iwepụ̀ta akọ–na–uche ụ́mụ̀ ama–ala Nigeria n'ile bụ́ ndi mụ́tara ụzọ esi ewulite ọrụ ahia na nke imepụ̀tasi ngwa ahia, iji ga mee ka akụ̀ anyị ban–ụ́ba maka ọdị mma nke mmadụ̀ n'ile. Nkea kpatara mji n'akpoku ndi n'ile n'elekọta otu ndi ọrụ dị iche–iche, ka ha bibe buru ga·dika mkpa dịrị ha. bụ́ ihe gbasara mwuulite nke akụ–na–ụ́ba anyị.



President Shagari na anara ekele nke ndi zukọtara na ama egwuregwu mgbe ụgbọ ala n'ebuhari ha gburu–gburu

Amataram nke ọma etu ndi ọrụ Nigeria si n'ebi ndụ n'oge a gara-aga. Ọtụmasịgh na ngwa ahịa dị oke ọnụ, emere ka ọnọdụ ụgwọ ọnwa nke ndi ọrụ dịgide n'otu ụdị maka etu ihe anyị n'eme-pụta siri dị n'okwu akụ-na-úba nke ala anyi bụ́ mba aka n'ewulite ewulite. Ma na odị ebe amebkwà anya na enwere ike ịsị onye ọrụ ọbúla were ụgwọ-ọnwa ga chụọ ịjị. Okwu gbasara ụgwọ ọnwa, ego nzi ndi ọrụ ji ozụ ụgbọ-ala, mkpedo nke ndi ọrụ́ na ndi isi ọrụ ha, na ụmụ ihe ndi ọzọ gbasara ndi ọrụ, bu otu n'ime ihe ndi di mkpa ndị gọment m' bu n'uche ibu ụzọ mee.

Ana eme nkwado etu ndi gọment ha na ndi isi n'ebekọta otu ndi ọrụ dị iche–iche gesi kparịkọta úkà maka ihe ndi ahụ, ma tụlee ihe gbasara ha. Ọbụrụ na emesịaa nke a, agam edozi ga bụ́ ọnọdụ maka ọdị–mma nke ala-anyị, na ndi ọrú ala-anyị. Ndi ọchịchị nọ ugbua ekwela nkwa ime ka ihe mgbu nke ndi ọrụ belata site na ịkparịta ụka na idupu ndi ọnọchita–anya. Ma na etu ọdị, anyị n'ile gagbakọta ịhụ́ na ụgwọ-ọnwa búrú-ibù, na ọnọdụ di mma nye ndi ọrụ bù ihe anahagh ijikọta ga na irụ́pụ̀ta ezi ọrụ́, maka m wulite nke ala anyị.

Mgbe anyị mere ka akụ̀ na ụ̀ba anyị n'eto, anyị g'enwe ike inyepùsi ihe n'ile bụ́ nke eji ebizije ndụ̀ nke ndi ala anyị n'ile chọrọ. Ọbụ̀zi n'oge ahụ̀ ka anyị gọnebi ndu ahụ́-ike n'emegaje ọrụ́ mmekọrita dị iche–iche maka ala anyị.

UKPURU MMEKỌRITA ANYỊ NA NDI MBA ALA ỌZỌ

Na ọnọdu onye isi ọchịchị umu, agam n'eme ihe nile mnwere ike, idu ala anyị na aga n'ihu, ma nechebe kwa ala anyị n'anya ndi mbe ala ọzọ, maka mmekọrịta anyị na ndi mba ala ọzọ. Ime ka ihe gbasara ala Afrịka dị n'uche anyị mgbe ọbụla, bùrị ukpuru ndi gọment ala anyị n'agbaso n'okwu gbasara mmekọrita anyị na ndi mba ala ọzọ.

Ọzọ bụ̀ na ọbụrị ihe ndi ala anyị deturula edetù ịsị na mba n'ile nke ala Afrika g'ubụ́ ndi nwere onwe ha. Ndi nwere onwe ha pụ́ọ́ọ́ n'ohụ nke ịkpa oke agbùrụ̀ pụ́ọ́ n'ohu nke mmegide dị iche–iche, ma pụ́ọọ n'ohu nke ịbụ mba nke ndi mba ala ọzọ na–achị. Ndi gọment m' g'a hụ́ na ikpe ziri–ẹzi, na ịkwanyere mmadụ̀ ugwu g'adịgịde na Namibia, Zimbabwe na Ndịda Afrịka anakpọ (South Africa). Anyị ganakwasi otu n'ile bụ́ ndi hụrụ ọga n'ihu na–anya, ma katọsịn ndi n'ile bụ́ ndi mmegide n'atọ–ụ̀tọ na ala Afrika na kwa na mba ọzọ nile.

Anam achọ ime ka unụ mata, na eguzosirim ike na mkpebi nkė òtú mba jikọrọ onwe ha ọnụ anakpọ (UNITED NATIONA) na mkpebi nke mba ụwa n'okwu gbasara ihe mmadu kwesịrị ibu na inwe (Declaration of Human Rights) ihe akụ-na-úba nke obodo (ECOWAS); Otu ndi mba ala ọdịda anyanwụ nke Afrịka n'emekọrịta; Otu ọgbakọ ịdị n'otu nke ala Afrịka (OAU); na otu ọgbakọ ndi mba n'ebupụ mmanụ na ala ha resi ndi mba ọzọ (OPEC); isi okwu anyi g'aburịrị ịga n'ihu nke ndi nmadu, akụ na úba na, nkwado nke udo na ọga-n'ihu site na nkwanye ugwu n'etiti ótù ndi na ibe ha, na kwa mmekọrịta nke mba na mba.

ITỤ́RỤ́ NDI–AGHA MMA–MMA

Anam achọ iji ohere ọma a tụọrọ ndi–agha na ndi nyefere anyị ọchịchị aa n'aka mma–mma. Ha esiwo netiti onwụnwà dị iche–iche chedoo ọnọdụ nke ala anyị. Ọzụzụ ha nke akwanye ugwu nke onwe, itinye obi ha n'ọrụ́ ha nile na irube isi n'okpuru iwu nye ela anyi, esipụtala onwe ha n'ebe ha no. Anam enwe ntụkwasị obi, na ha g'ejidesi nkea ike.

Unu gecheta na n'oge gọment General Murtala Muhammed na nke General Obasanjo malitere ịchị, ha kwere nkwa na ha getihachi ọchịchị n'aka úmụ ama–ala ala anyị n'úbọchị mbú nke ọnwa iri na afọ 1979. Ha edebezuola okwu ha dịka ndi mmadụ kwesịrị inyé nsọpụrụ́, n'ihi na taa, ewere ala anyi tifere n'aka ọchịchị úmụ ama–ala, bú ndi ọha–na–eze họpụtara ịchị ha. Ahagh ịdị na akọ akúkọ ihe atụ nke ibú ezi ndi ndu nke di n'ime ha; iji eze obi irú–ọrú, ibú ezi úmụ ama–ala. na inwe obi ike.

EKELE NYE NDI NILE

Anam achọ iweta okwum nke ụbọchi taa n'isi njedebe, site na itụrú ndī Nigeria nile, onye nọ n'ebe ọnọ mma–mma núbọ̀chị taa bú úbochị ihe akúkọ nye ndi ala anyị. Anam ekele kwa úmụ ala anyị bú ndi n'eme ka edebezue iwu, na ndi uwe–ojii–na ndi n'ile n'arụ ọrụ n'ebe ha na arú. Anam ekele ndi eze ama–ala anyị bú ndi nna anyị na ndi n'edebe ihe omenala dị iche–iche nke ala anyị. Anam ekele kwasi ndi úkọ–chukwu na ndi isi ụku dị iche–iche n'ala anyị bú ndi n'edebe okwukwe anyị na nsọpúrụ́ nke onwe.

Ndi ala anyị, ọrụ dị n'ihu gbara ọkpùrùkpù bụ́rụ́kwa ọrụ́ dịrị anyị n'ile. Gọment anyị nwere mkpebi iwu obodo nke ejikọtara n'otu, ebe akụ—na—ùba na ọga n'ihu n'ahagh ịdịgide. Achọrọm ka onye ọbụ́la n'etiti unu tụnye ùtụ́ nke ruwere ga; achọkwaram enyem—aka unu na nkwasi obi ike. Nigeria nwere ike, ma na ọhagh ibụ́ mba nwere agba. Ka anyi were ezi akọ—na—uche na mupebi jikọta aku nirú orú nye ala anyị, etu anyị g'enwe ike wulite obodo nke anyi n'ile geji na akpa ngù—ngù (anya—isi)

Site na àmàrà nke Chineke, anyị agagh àdà site n'imuezu ka nkwado anyị siri dị, anyị ahagh ime nke ọma.

Ka Chukwu gọzie ala anyị; ka Chukwu gọzie kwa unu n'ile.

Mma—mmanù, ka chi bọọnu.